# IJÉOZI ANYỊ DỊKA NDỊ NÁACHỊ ÈZÍNAỤLỌ

**I Ndi Kọrint 4:1-21; 9:16-27; 2 Ndi Kọrint 5:17-21; 6:1-10**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 391**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ihe anāchọ kwa n'aka ndi nāchi èzí-na-ulọ bu, ka ahu onye ọ bula na o kwesiri ntukwasi-obi" (I Ndi Kọrint 4:2).**

**I Ịchị Èzínaụlọ**

1 Ihe anaachọ n'aka ndị náejéozi dịka ndị náachị èzínaụlọ bụ ka ha kwesị ntụkwasịobi ma bụrụ kwa ndị gaenye Chineke ọ̀zịzá banyere onweha, I Ndi Kọrint 4:1-5; Luk 12:41-48; Ndi Rom 14:12; I Ndi Tesalọnaika 2:4; Taitọs 1:7-9; Ndi Hibru 13:17

2 Ndị náejéozi dịka ndị náachị èzínaụlọ aghaghị imezu ọkpụkpọ ha n'obi umeala náagbanyeghị ihe ọ bụla gaadapụtara ha ná ndụ a, I Ndi Kọrint 4:6-21; Jọn 16:33; Ndi Rom 12:3; I Pita 4:10

3 Ọkpụkpọ̀òkù maka ịchị èzínaụlọ sitere na Chineke, ọ bụ kwa ihe gaeweta mkwụghachị nke ụgwọọlụ ebighịebi ma ọ bụrụ na ejiri obi niile náabụghị ná mmanyé zaa òkù ahụ, I Ndi Kọrint 9:16-27; I Pita 5:2

**I Ịbụ Ndị ụkọ̀**

1 Onyeụkọ̀ nke Kraist aghaghị ibuụzọ "kèrè okè na nkpuru-ya," ịbụ onye èkèrè ọhụụ nime Kraist, 2 Ndi Kọrint 5:17-20; Ndi Efesọs 6:20; 2 Timọti 2:6

2 Kraist hụrụ ahụhụ n'ihi mmehie niile nke anyị, 2 Ndi Kọrint 5:21; Aisaia 53:5; Ndi Hibru 2:9; I Pita 2:24; 3:18

3 Ndiụkọ̀ nke Kraist aghaghị ịbụ ndị náerita mkpụrụobi n'urù, 2 Ndi Kọrint 6:1, 2; Ọlu Ndi-ozi 26:16-18; Daniel 12:3; Matiu 4:19

4 Ndiụkọ̀ aghaghị ibi ndụ nke náenweghị ịtaụta, ọbụná nime óké ọnwụnwa dị icheiche, 2 Ndi Kọrint 6:3-10; 4:1, 2, 8-11; Ndi Filipai 2:15; I Timọti 3:2-4

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Iheomimi Nke Oziọma

Pọl Onyeozi gwara Timọti sị, "Ọ di uku bú ihe-omimi nke nsọpuru-Chineke: Onye ahu Nke emere ka Ọ puta ìhè n'anu-aru, Nke aguru Ya n'onye ezi omume nime mọ. Nke emere ka ndi-mọ-ozi hu Ya anya, Nke ekwusara ya n'etiti ndi mba ọzọ, Nke ekwere na Ya nime uwa, Nke anara Ya n'elu nime ebube" (I Timọti 3:16). Okwu ndịa dị omimi n'ezie, ihe omimi a naagbagwoju kwa ọbụná onye ahụ nke nwee amamihe karịsịa n'etiti ụmụakwụkwọ nke óké mmụta nke ụwa anya rue ọgbọ niile. Ma eziokwu ndịa dị omimi ekwesịghị ịnọgide n'ịbụ iheomimi nye obi ahụ nke náekwu eziokwu. Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya sị, "Ọ bu unu ka enyeworo imara ihe-omimi ala-eze elu-igwe, ma enyegh ndi ahu (ndi na-ekweghi ekwe)" (Matiu 13:11).

Pọl kọwara iheomimi a nye ndị Kọlọsi, "Bú ihe-omimi nke ezoworo ezo site n'oge nile site kwa n'ọgbọ nile: ma ugbu a ka emere ya ka ọ puta ìhè nye ndi nsọ Ya, ndi Chineke chọrọ ime ka ha mara ihe bu àkù nke ebube nke ihe-omimi a n'etiti ndi mba ọzọ, nke bu Kraist nime unu, bú olile-anya nke ebube ahu" (Ndi Kọlọsi 1:26, 27). Mmadụ inwe Kraist nime obi ya, ịmụbata mmadụ nime èzínaụlọ nke Chineke na ime ka mmadụ bụrụ onye ekèrè ọhụụ nime Kraist Jisọs, bụ iheomimi n'ezie nye ndị náekweghịekwe. N'ebe ndị kwereekwe nọ mnwapụta nke imemmụọ a naabụ ezi nchigharị nke ndụha ma náagbanwe kwa n'ụzọ zuruòkè ọnọdụ ebighịebi nke mkpụrụobi ha.

### Ijéozi nke Ịchị Èzínaụlọ nke Oziọma

Ebe ọ bụ na ike nke mgbanwe ahụ dị ebube nke dị n'Oziọma nke Kraist, mgbe ọ naabata n'obi nke mmadụ naalụpụta nnwapụta a kachasị omimi, gịnị gaabụ kwanụ ọlụ dịrị onye ahụ akpọrọ ịbụ onyeozi nke Oziọma a, maọbụ dịka ebe ọgụgụ a naasị, "Ndi bu kwa ndi nāchi èzí-na-ulọ n'ihe omimi nke Chineke"? Ọ dịghị ọkpụkpọ dị elu ọzọ nke karịri nke a, ọ dịghị ọlụ nke karịrị ịbụ onye náachị èzínaụlọ nime Oziọma nke Jisọs Kraist. N'ịtụle ịdịmkpà nke ọkpụkpọ dị otú a, ọ bụ ihe ijuanya na Pọl kwuru na ihe anaachọ n'aka ndị naachị èzínaụlọ bụ ka ahụ́ onye ọ bụla na o kwesịrị ntụkwasịobi? N'ikwesị ntụkwasịobi ya n'ikwusa eziokwu ahụ site n'otitemmanụ na mkwagide nke Mmụọ Nsọ, ikwesịntụkwasịobi ya n'ibindụ dịnsọ na

ịnọgidesiike n'ibindụ nke OnyeKraist, ka ọnọdụ ikpeazụ, mkpụrụobi nke ụmụmmadụ naadabere. Ọlụ dịrị ya abụghị náánị ịgwa ụmụmmadụ ihe banyere Jisọs na ike Ya ịzọputa, kama ịbụ ihenlereanya dị ndụ nke amara mgbanwe ahụ nke dị nime Oziọma Jisos Kraist. (Gụọ Ndi Rom 10:14).

Ijéozi a nke ịbụ onye náachị èzínaụlọ abụghị ọlụ anaenweta site n'ịmụ akwụkwọ maọbụ akaraùgwù nke mahadum, kama ọ bụ ọkpụkpọ dị nsọ nke sitere na Chineke. Ezi onyeozi nke Oziọma naeguzo n'agbata ndị dịndụ na ndị nwụrụanwụ dịka onye náanọchịta anya Chineke ahụ náadị ebighịebi, nke náadịghị anwụanwụ, nke bụ Onye eziomume, Onye ebere, nke ịhụn'anya Ya naadịgide rue mgbe ebighịebi. Ọ bụ ọlụ dịrị ya ime ka ụmụmmadụ mara Kraist ọbụná ma asị na ọ dị ka ọ bụ otù ọlụ nke náánị ya naada n'ọzara nke ọ náadịghị onye naege ya ntị. Ọ gaabụ onye náatụ mmadụ mmehie ha n'anya, baa mbà, rịọ arịrịọ n'ogologo ntachịobi niile na òzízí niile. N'ime nke a, onyeozi ahụ aghaghị "ibu uzọ kèrè ókè ná mkpuru ya," ọ ghaghị kwa izipụta ma gosi kwa eziokwu a site n'omume ya, ịdịnsọ ya na nsọpụrụ Chineke ya, ndụ nke ekpere ya na ijéozi ya nye Chineke na mmadụ nke ọchịchọ nke onweonye náadịghị ime ya.

**Inyempịazi nke Ndị náachị Èzínaụlọ**

N'ihi na ọkpụkpọ nke ijéozi dịka ndị náachị èzínaụlọ sitere na Chineke, ọ bụ ọlụ dịrị onyeozi ọ bụla inye Chineke mpịazi. Pọl naekwu sị, "Onye nēkpem ikpe bu Onye-nwe-ayi." Otú ọ dị, eziokwu a agaghị abụ ihe mkwagide nye onyeozi ọ bụla ime onweya onyenwe ndị bụ ihe nketa nke Chineke maọbụ ịghọ onye ọchịchị ọjọọ. Ndịozi gaeji obiumeala soro Chineke náejéijè -- ọ ghaghị ịdị otú ahụ -- n'ihi na ha bụ ndị náachị èzínaụlọ nke ihe omimi nke Chineke. Chineke gaachọ kwa n'aka ha ka ha nye mpịazi banyere ijéozi ha.

Pọl dọkwara akanántị, na ịbụ onyeozi nke Oziọma naedebe mmadụ n'ọnọdụ nke pụtakarịrị ìhè. O kwukwara sị, "N'ihi na anamechè na Chineke were ayi, bú ndi-ozi, gosi dika ndi-ikpe-azu, dika ndi amara ikpé-ọnwu: n'ihi na emere ayi ihe nkiri nye uwa, na ndi-mọ-ozi, na madu. Ayi onwe-ayi bu ndi nzuzu n'ihi Kraist." N'ihi na ha naekwusa ihe omimi a, agaaghọtahie ha ọtụtụ mgbe ma ghọtahie kwa ihe ha bu n'obi, agaeme ka ha baa n'óké mkpagbu; ma nke a agaghị eme ka obi lọọ ha mmiri. Ha gaejidesi eziokwu ahụ ike ma jiri kwa obiumeala soro Chineke ná ejéijè.

Ihe ekwuworo n'ebe a banyere ndịozi nke Oziọma dịka ndị náachị èzínaụlọ, pụrụ ịbụ ihe agaekwu kwa banyere ndị nke Kraist. OnyeKraist ọ bụla nwere ụfọdụ onyinye dị icheiche na ọkpụkpọ pụrụ iche nke Chineke gaachọ n'aka ya ka o mezue n'ikwesịntụkwasịobi. "Nchègharị adigh n'onyinye-amara nile na ọkpukpọ nke Chineke."

Jisọs tụrụ ilu banyere inye ndị orù Ya onyinyeamara dị icheiche (talents). "Otù ka O nyere talent ise, nke ọzọ talent abua, nke ọzọ otù talent; O nye onye ọ bula dika ike nke aka ya ra." Onyenweanyị matara otú ike onye ọ bụla ra, Ọ dịghị eleanya ịnata n'aka onye ahụ karịa ihe onye ahụ pụrụ ime. Mmadụ abụọ nime ndịorù ndị a lụsịrị ọlụ dịrị ha ike, wee mee ka talent ha dị òkpùkpù abụọ: ma mgbe Onyenweanyị lọghachịrị ka Ya na ha pịazie, okwu ọjịjịá pụrụ iche nke ha natara bụ na ha kwesịrị ntụkwasịobi. Otù nime ndị orù ahụ eritaghị ihe ọ bụla n'urù site na talent ahụ; o chebekwara ya nkeọma, ma o jighị ya lụọọlụ iji mee ka ọ baa ụba. Ihe nke a lụpụtara bụ na anapụrụ ya otù talent ahụ, wee tụba ya n'ọchịchirị nke ezi n'ebe ahụ ka ịkwáákwá na ịtaịkekereeze dị (Matiu 25:14-30).

Ọ bụghị ihe dịrị OnyeKraist ịrọrọ ma ọ gaalụrụ Chineke ọlụ maọbụ na ọ gaghị alụ. Enyere ya iwu ime otú a. "Ọ bugh unu onwe-unu rọputaram, kama ọ bu Mu onwem rọputara unu, weputa kwa unu iche, ka unu onwe-unu we je mia nkpuru, ka nkpuru-unu we nọgide kwa."

Jisọs bụ Onye naachị èzínaụlọ nke kachasị ndị niile naachị èzínaụlọ, ihenleereanya Ya pụtakwara ìhè karịsịa. Ọ bụ onyeisi nke ndị Ọzụzụatụrụ. Ọ bịaghị iwukwasị alaeze nke aka Ya, kama O wedatara OnweYa kpamkpam n'okpuru Nna Ya nke bi n'eluigwe Ọ sịrị na Ya abịaghị ime uche nke ya OnweYa, kama uche nke Onye ahụ nke zitere Ya. Ihe náemetụ Ya n'obi bụ ọdịn'iru nke ndị ahụ Ọ bịara ijéré ozi. Ọ gwọrọ ndị ọrịa; O kechiri ọnyá nke ndị obi ha tiwaraetiwa; Ọ hụrụ ndị mmehie n'anya ma mee kwa ka ndị adọtara n'agha nwere onwe ha. O wetaara ndị ahụ nọ n'ọchịchirị ìhè, n'ikpéazụ O wee tọgbọ ndụ Ya n'ihi atụrụ nke aka Ya.

**Ndị ụkọ nke Kraist**

Akwụkwọ nke náakọwa okwu (dictionary), kọwara na onyeụkọ bụ: "Onyeozi nke nwere ọkwa dịkarịsịrị elu nke ezigaara gọvamentị nke mba ọzọ maọbụ onyeisi nke náachị mba ọzọ, dịka onye náanọchịtaanya gọvamentị maọbụ ma nke aka ya ná mba ahụ." Ịbụ onyeụkọ bụ ọkwa kachasị elu na gọvamentị nke mmadụ ọ bụla pụrụ ijide ná mba ọzọ, n'ezie ọ naejéozi dịka onyeozi nke kachasị elu nke náanọchịtaanya nke gọvamentị nke ala ya. Nke a bụ ọnọdụ nke OnyeKraist ọ bụla. "Ya mere ọ buru na onye ọ bula di nime Kraist, ọ bu onye ekèrè ọhu: ihe ochie agasiwo; le ha, aghọwo ihe ọhu." O wee ghọọ onye

ekèrè ọhụụ. O wee bụrụ onye nketa nke obodo ọhụụ, Eluigwe bụ obodo ya. Ka ọ naanọ n'ụwa nke a, ọ bụ náánị onyeijè, onye náanchitaanya ezi obodo ya, nke bụ Eluigwe.

**Ọlụ nke Onyeụkọ̀**

N'ịbụ ezi onyeụkọ̀ nke Kraist mmadụ aghaaghị ibuụzọ mee ka ya na Chineke dị n'udo site na Jisọs Kraist, ma bụrụ kwa onye akpọghachịrị n'iruọma na mnwekọ nke Chineke nke atụfuru site ná mmehie. Ebe ọ bụ onye ekèrè ọhụụ ma bụrụ kwa onye náenwe ebeobibi ya n'Eluigwe, ọchịchọ ya naadị n'ihe nke dị n'elu; ma ezi onyeụkọ̀ mgbe ọ ka nọ n'ụwa nke a náenwe ibuarọ́ n'obi n'ihi mkpụrụobi nke ndịọzọ, mkpụrụobi ndị ahụ nke fuworo nime mmehie dịka ya onweya dị na mbụ. Ọlụ nke dịrị onyeụkọ̀ a abụghị náánị ịbụ ezi onyennọchitaanya nke obodo ya, kama ọ gaabụ kwa onye ya na Kraist naalụkọọlụ irita mkpụrụobi n'urù nye Alaeze nke eluigwe. Ya onweya, dịka onyeụkọ̀, naanọchịtaanya Chineke, náarịọ ụmụmmadụ ka ha mee ka ha na Chineke di n'udo.

Pọl Onyeozi, dịka ezi ihenlereanya nke ịbụ onyeụkọ̀, wepụtara ya n'ụzọ doroanya bụ́ óké mkpà nke ime ka adị n'udo, O kwuru na Kraist Onye náamaghị mmehie ka emere ka Ọ bụrụ mmehie n'ọnọdụ anyị; ka anyị onwe anyị wee ghọọ eziomume nke Chineke nime Ya. Jisọs Kraist n'onweYa wee ghọrọ anyị Nwaatụrụ nke Ngabiga; O wee bụrụ Onye nnọchitaanya anyị. N'elu obe nke nhụjuanya nke Kalvarị ka Ọ hụrụ ahụhụ wee nwụọ, ọ bụghị n'ihi mmehie nke Ya onweYa -- n'ihi na Ọ bụ Ọkpara Chineke nke náenweghị mmehie -- kama O buuru mmehie niile nke anyị wee kwụọ ụgwọ ahụ dị ilu n'ùjú.

Onyeozi ahụ nyekwara iheàtụ̀ nke oge ekwesịrị ịrụgide onye mmehie ka o chigharịkwute Onyenzọputa a nke ịhụn'anya Ya náenweghị ọgwụgwụ; ọ bụ ugbu a, n'ihi na "ugbu a bu oge anānara madu nke-ọma; le, ugbu a bu ubọchi nzọputa." Ọ matara nkeọma na ọ dịghị mkwà ọ bụla ekwere banyere echi.

Gịnị pụrụ ịbụ ọkpụkpọ dị elu karị mmadụ iwere arọ olenaole nke o nwere mgbe ọ nọ n'ụwa jee ozi dịka ezi onyeụkọ̀ nye Chineke? Gịnị pụrụ ịbụ ọlụ dị ukwu karị mmadụ ịdọgbu onwe ya n'ọlụ n'irita mkpụrụobi n'urù site n'ịlan'iyi ebighịebi ma hụ kwa ha ka ha guzosiriike n'okporoụzọ dị elu nke ịdịnsọ nke náeduba n'Eluigwe? O, ọ gaadị nnọọ mma ma asị na ọtụtụ mmadụ gaazaòkù ahụ nke kachasị òkù niile elu! Jisọs sịrị: "Owuwe-ihe-ubi riri nne n'ezie, ma ndi ọlu di ole-na-ole; Ya mere nāriọnu Onye-nwe-owuwe-ihe-ubi ahu ka O zipu ndi-ọlu bà n'owuwe-ihe-ubi-Ya" (Matiu 9:37, 38).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 N'ụzọ dị añaa ka onye nke Kraist si bụrụ onye náachị èzínaụlọ nke Chineke?

2 Gịnị mere o ji bụrụ ihe anaachọ n'aka ndị náachị èzínaụlọ na ha gaabụ ndị kwesịrịntụkwasịobi?

3 Ònye ka ndị náachị èzínaụlọ gaenyeghachị mpịazi?

4 Kpọọ aha talent ụfọdụ nke Onyenweanyị pụrụ iji lụọọlụ nime ijéozi ka ndị náachị èzínaụlọ.

5 Gịnị ka Pọl naekwu banyere ya mgbe o kwuru na ya aghọwo ihe niile nye mmadụ niile?

6 Kwupụta nkọwa nke enyere n'ebeọgụgụ anyị banyere OnyeKraist.

7 Kọwaa otú esi were OnyeKraist tụnyere onyeụkọ̀.

8 Site n'ụzọ dị añaa ka onye mmehie pụrụ iji mee ka ya na Chineke dị n'udo?

9 Òlee oge kwesịrị iji nweta nzọpụta?